
Udara
Oma

# MMIRI ERIELA M

## Chinedum E. Ofomata

**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
(*Publishers of Ideal Textbooks*)
84 Obiagu Road
P. 0. Box 729, Enugu
Enugu State, Nigeria.
Phone: 08033393296
E-mail: formatpublishers30@gmail.com

Published By:
**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
84 Obiagu Road
P.O.Box 729, Enugu
Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296

**Branch Office**
6 Orogbo Street
Behind Nitel/Nipost
Off Zik Avenue
Anambra State.

Mbipụta Nke Mbụ - **2009**

© **Chinedum E. Ofomata**

**ISBN: 978 - 8116 - 50 – 7**

O nweghị Onye, Ndị maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n'ụdị n'ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe ọbụla dị n'ime akwụkwọ a na-ebughị ụzọ nata onye dere ya maọbụ ụlọọrụ bipụtara ya **(FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD)** ikike zuru oke.

# OKWU MMAŁITE

Ọ bụ onye na-aga ije ka ụkwụ na-akpọ. Ụkwụ anaghị akpọ onye tukwu ala. Maka na onye anaghị achọ ụzọ anaghị efu ụzọ.

Anayọ na Ekezie maara na ha etolitela. N'ihi nke a, ha malitere gbawa mbọ otu ha nwere ike, iji wee nyere ndị mụtara ha aka. Maka na ọ na-abụ e jikọọ aziza ọnụ n'ukwu, e were ya pịagbuo ijiji.

Mana ọ bụ onye ajọ chi ka mmiri na-afado n'eze. Maka na echiche ọma na-enwe ọgbatauhie. Kama, matakwa na ọ bụ onye kpegburu arụsị, na-eji ọkụ arụsị eri nri.

Matakwa na onye oshimiri na-elo bụ onye bịakwutere ya. N'ihi na mmiri anaghị eri onye ọ hụghị ọkpa ya. Gụọ akwụkwọ a ka ị mata onye mmiri chọrọ iri na otu o siri chọọ iri onye ahụ.

**Chinedum E. Ofomata**

# ISI NKE MBỤ

Udeigwe na Ahụnne bụ di na nwunye. Ha bụ ndị Igume. Ha mụtara ụmụ atọ. Otu n'ime ụmụ ha bụ nwanyị. Abụọ bụrụ ụmụnwoke. Aha ada ha nwanyị bụ Chibụchi. Aha ụmụnwoke abụọ ha mụtara bụ Anayọ na Ekezie. Nwa izizi Udeigwe na Ahụnne mụtara bụ Anayọ. Onye nke na-esota Anayọ bụ Chibụchi. Ekezie bụ nwa nke atọ. Ọ bụkwa ya bụ nwa ikpeazụ. Anayọ ji afọ abụọ were tọọ Ekezie Mana ihe Chibụchi ji were tọọ Ekezie bụ afọ ise. Ka nne ha mụchara Chibụchi, ọ hịara ahụ tupu a mụta

Ekezie. Ọ chọtere afọime aka tupu Chukwu were zite Ekezie. Ka Udeigwe na Ahụnne mụchara Ekezie, o nweghịzikwa nwa ọzọ ha mụtara.

Anayọ dị afọ irinaanọ ugbua. Chibụchi dị afọ irinaabụọ. Ekezie dị afọ asaa.

Ụmụnne atọ a maara ihe nke ukwu. Ha bụkwa ụmụaka na-agba mbọ nke ọma. Ha naatọ nwere ịhụnanya na-apụ uzu n'etiti onwe ha. O nweghị onye ọbụla n'ime ha na-eri nri ma ọ bụrụ na ha atọ anọghị ya. Ọ bụkwa otu afere ka ha ji eri nri. O nweghị onye a na-etinyere nri nke ya iche. Nri ọbụla ha na-eri, ha na-erikọ ya ọnụ. Iwe adịghị n'etiti ha. Ha bụkwa ụmụaka ghọtara onwe ha. Onye

ọbụla n'ime ha maara ihe o kwesịrị ịrụ. Ha na-arụkwa ọrụ ha kwesịrị ịrụ. Ha ghọtara nne ha na nna ha. Ha bụkwa ụmụaka na-erube isi. Ha anaghị enupụrụ ndị mụtara ha isi. Ha bụkwa ụmụaka nwere nsọpụrụ n'ime ha. Ha na-akwanyekwara onye ọbụla ùgwù.

Chibụchi na Ekezie maara na ọ bụ Anayọ tọrọ ha. Ha na-akwanyekwara ya ugwu dị ka onye tọchara ha. Ha anaghị ele ya anya n'isi. Ha na-eme ihe ọbụla Anayọ ziri ha mee. Ha na-egekwa nwanne ha nwoke ntị. Ihe ọbụla ha chọrọ ime, ha ga-ajụtarịrị ya Anayọ tupu ha emewe ihe ahụ. Anayọ hụkwara ụmụnne ya naabọ ahụ n'anya. Ọ

hụbigara ha n'anya oke. Ọ naghị achọ ka ihe ọbụla mee ha. Ọ naghịkwa achọ ka ha mee ihe ọbụla kariri ha. Mgbe niile, ụmụnne ya abụọ ahụ dị ya n'obi. Ọrụ ọbụla siri ike na be ha, Anayọ ga-achọ ka ọ rụọ ya. Ọ naghị ekwe ka ụmụnne ya rụọ ya. Naanị ihe Anayọ chọrọ bụ ka ụmụnne ya na-enwe obi ọcha mgbe niile.

# ISI NKE ABỤỌ

Udeigwe na Ahụnne na-ebi n'udo. Ha enweghị nsogbu ọbụla n'ime onwe ha. Kemgbe ha malitere biwe dị ka di na nwunye, ha esebeghị okwu. Ha ghọtara onwe ha. Udeigwe ghọtara nwunye ya bụ Ahụnne. Ahụnne ghọtakwa di ya bụ Udeigwe. Ha jikọrọ aka ọnụ wee na-ebu ibu ezinaụlọ. O nweghị onye n'ime ha abụọ hapụụrụ ya ibe ya. Onye ọbụla na-arụ ọrụ o kwesịrị ịrụ. Ọ bụkwa ụdịrị ndụ ọma ahụ ha na-ebi ka ụmụ ha na-elegara anya. Maka na ọ bụ nne ewu na-ata ahịhịa, ụmụ ya ana-ele ya

anya n'ọnụ.

Udeigwe na Ahụnne bụ ndị ọrụugbo. Ha dịkwa ike ọrụ. Tupu Udeigwe alụta Ahụnne, ọ bụ ọrụugbo ka ọ na-arụ. Ka ọ lụchara Ahụnne, Ahụnne sorokwa ya rụwa ọrụugbo. Udeigwe siri ike na nwoke. Nwunye ya bụ Ahụnne kwụzukwara akwụzu n'agbara nwanyị. Ọ bụ nwanyị siri ike. Ọ bụkwa nwanyị omume ọma ya kacha nke ibe ya, mma. Ahụnne makwara ezigbo mma. Mma ya na-etoli akpịrị. O nweghị onye hụrụ ya agaghị ekweta na Ahụnne bụ asa. Ụdịrị mma ọ mara na-enye ọnụ. I kirichaa Ahụnne, iwe dị gị n'obi apụọ.

N'ezie, Ahụnne maara na ọ



Udeigwe na Ahụnne bụ ndị ọrụugbo. Ha dịkwa ike ọrụ.

mara mma. Ọ makwa na ndị ezi maara na ọ mara mma. Mana ọ naghị ekwe ka mma ahụ ọ mara baa ya n'isi. Ọ naghịkwa egosi ụwa na ọ mara mma. Naanị ihe kacha bụrụ mkpa ya bụ ezinaụlọ ya. O so di ya were na-arụsi ọrụ ike. Ihe niile e ji amata agbara nwanyị nọsiri ike na be di ya, zuru oke n'ebe ọ nọ. E nweghị nke a na-achọ achọ. Ahụnne abụghị nwanyị ngana. Ọ bụ nwanyị ume ọrụ dị. Ọ bụkwa nwanyị ji obi ọcha arụ ọrụ dịịrị ya. Ọ naghị eji ntamu na ntakwu wee na-eje ozi dịịrị ya n'ezinaụlọ. O jighịkwa mgbakasịahụ were na-eso ụwa. Ahụnne mụtara ụwa nke ọma.

Ọ matakwara ka e si anọ n'ụwa.

Ahụnne abụghị nwanyị chọrọ nsogbu. Ọ bụ nwanyị obi ọma. O nweghị onye ya na Ahụnne mekọrọ ihe anaghị enwe ọṅụ. Gị na Ahụnne mekọọ ihe, ị mata n'ezie na o nwere ndị ka na-akpa agwa ka mmadụ Chukwu kere. Ahụnne bụ nwanyị weturu ahụ ala. Oke ọchịchọ adịghị n'ime ya. Ọ naghịkwa achọ ka ọ na-anọdebe onye ọbụla na-adọkasị onwe ya mgbe ọbụla. Asịrị abụghị maka ya. Ị sịrị bịakwute ya, o were azịza zapụ gị na ọnụ gị, ezi.

Okwu niile Ahụnne na-achọ ka ọ na-anụ mgbe ọbụla bụ okwu bara uru. Ọ naghị ege ntị n'okwu abaghị uru. Ihe Ahụnne na-achọ bụ ihe ga na-ada ya ahụ jii. Ahụnne achọghị

ihe ọbụla ga na-ewetara ya ọgbaaghara na ndụ ya. Onye ọbụla na-abịakwute Ahụnne makwa na Ahụnne bụ nwanyị udo. Ndụ ya niile bụ udo. Ije ya niile, udo. Okwu ya nile, udo. Ezinaụlọ ya, udo. Ọbụkwa udo a ka ụmụ ha nwere n'etiti ha.

# ISI NKE ATỌ

Ahụnne maara ọrụ ya n'ezinaụlọ ya. Ọ na-eleru ụmụ ya anya dị ka o kwesịrị. Ọ na-akọkwara ụmụaka akụkọ na-ejikọta ezinaụlọ. Ọ naghị akọrọ ha akụkọ na-eweta ntisa n'ezinaụlọ. Ọ na-emekwa ka ụmụaka ya mata mgbe niile na ọ bụ Udeigwe bụ onyeisi ezinaụlọ. Na ọ bụ ya bụ nna ha niile. Na ọ bụ ya na-ahụ maka ezinaụlọ ha. Na ọ bụ aka ka ya na-enyere ya. Mgbe niile ka ọ na-eto di ya n'ihu ụmụ ya. Ọ na-ebuli di ya elu ma na-enyekwa ya otito n'ụzọ pụrụ iche n'ihu ụmụ ya.

Ahụnne dị mma ọlụlụ. Ọ bụkwa ụdịrị nwanyị nwoke ọbụla chọrọ. Ọ bụ nwanyị na-ajụ nwoke ahụ, oyi. Kemgbe Udeigwe lụtara ya, ọ naghị acha di ya ọkụ. Mgbe ọbụla di ya chetara ya, obi na-eru ya ala. Ahụnne abụghị ụdịrị nwanyị na-amapụ di ya obi. Ahụnne anọkataghị katọọ di ya n'ihu ụmụ ya maọbụ n'ihu onye ezi. Ọ maara na di ya bụ ide ji ụlọ. Ọ bụrụ na ide daa, ụlọ eju ala. Ọ na-eme ihe niile ahụ ịhụ na ya bụ ide ji ụlọ eteghị nkwe ọbụla. Maka na okeosisi daruo ala, ụmụnnụnụ eju ọhịa.

N'ezie, Ahụnne na-akwanyere di ya ugwu nwanyị na-akwanyere nwoke. Ihe niile ọ na-eme bụkwa ihe

ga-eme ka di ya nọruo ndụ n'isi. Ọ na-akwụ di ya n'azụ mgbe nile. Ọ naghị achọ ụzọ ọ ga-esi dọtuo ya maọbụ kpụtuo ya n'ala. Ahụnne maara na di ya bụ ùgwù o nwere. Ọ makwaara na ya bụ Ahụnne bụ ugo di ya ṇwụ n'aka.

## ISI NKE ANỌ

N'ezie, Udeigwe bụ dimkpa dị ike. Mana ọ jọrọ njọ. Ọ maghị mma ka nwunye ya. Mana ihe nọchiri mma ahụ ọ maghị bụ ike ọ dị. Udeigwe ajọka. Ọ jọrọ ezigbo njọ. Mana ọ bụ ezigbo mmadụ. Ezigbo omume ya nọchiri njọ ya. Ọ bụkwa nwoke ịgba mbọ na-atọ ụtọ. I lewe Udeigwe anya n'ihu, ị gaghị eru ya nso. Mana Udeigwe mewe omume, ọ dị gi ka gi kuru ya n'ahụ. Agwa ya amaka. Ihe kacha mma na ndụ onye ọbụla bụ ezigbo agwa. A naghị eri mma eri.

I kirichaa Udeigwe na Ahụnne,

ihe ị ga-ajụ bụ, 'Onye jọrọ njọ ọ na-alụ onye mara mma? Kedụ ka onye mara mma siri kweta ka onye jọrọ njọ lụwa ya?' Ajụjụ niile a zara onwe ha. Onye ọbụla nọ n'ụwa a maara ihe ọ chọrọ na ndụ ya. Maka na ihe a na-achọ n'ike ọkụ bụ azụ. Tupu Ahụnne alụọ di, ọ maara ụdịrị di ọ chọrọ. Tupu Udeigwe alụọ nwanyị, ọ mara ụdịrị nwanyị ọ chọrọ ịlụ. Maka na ọ bụ ihe onye na-achọ ka chi ya na-enye ya. Chukwu na-emezuru onye ọbụla ebumnuche ya.

N'obodo Igume, a gụwa ndị dị ike ọrụ a ga-agụnyeriri Udeigwe. A gụwakwanụ ndị kacha n'ọrụugbo, Udeigwe ga-esoriri na ndị izizi. Udeigwe na-arụsi ọrụugbo ya ike.

Ụwa na-ahụkwa ihe ọ na-arụpụta n'ọrụugbo. Ọrụugbo ya abụghị ọrụugbo 'a rụta, e richaa'. Ọ bụ ọrụugbo 'taa na echi' Udeigwe bụkwuazị nwoke nwere akọnauche. O jikwa amamihe ya were na-enyere obodo ya, aka.

O nwee nsogbu ọbụla dapụtara n'obodo ya, a na-akpọku Udeigwe. Ndị Igume maara ya dị ka onye na-atụta ezigbo aro. Aro ọbụla ọ tụtara bụ nke ndị obodo ya ji eme ihe. Ihe ọzọ e jikwa mara Udeigwe bụ eziokwu. Udeigwe bụ onye eziokwu. Mgbe niile ọ na-akwụ n'eziokwu. Ọ nọghị n'okwu asị. Asị na-arụ ya afọ. Ọ na-anọtekwa onye ọbụla bụ onye asị, aka. Udeigwe anaghị anọ n'ihe ọbụla aghụghọ dị na ya. Ndụ ya bụ

ndụ ịkwụwa aka ọtọ. Ọ noghị na mmegide mmadụ. Ọ noghịkwa n'imegide Chukwu. Ọ na-anọ n'okwu ziri ezi mgbe niile.

Ihe niile ndị a ka Chukwu ji were chọọ Udeigwe, mma. Ọ bụkwa onyinye niile ndị a Chukwu nyere Udeigwe mere ka nwunye ya lụwa ya. Maka na nwoke ọbụla nwezuru ihe niile ahụ Udeigwe nwere, amachaala mma ọ ga-ama. O kwesịkwuru ka anyị mata na mma okpuru ka mma eluahụ, mma.

## ISI NKE ISE

N'ime ụmụ atọ ahụ ha mụtara. onye yiri nna ya nke ọma bụ Ekezie. Anayọ na Chibụchi yiri nne ha. Ekezie jọrọ njọ ka nna ya. Anayọ na Chibụchi mara mma ka nne ha. Mana, ha atọ dịcha ike ọrụ ka ndị mụtara ha. Ha niile nwekwara obi sara sara n'etiti onwe ha. O nweghị onye na-ekwujọ nwanne ya. O nweghịkwa onye na-enwere nwanne ya anyaụfụ. Ha hụrụ onwe ha n'anya nke ukwu.

Mgbe niile ha na egwu na amụ na-eme. Iwe anaghị adị n'etiti ha. Ma ha na-arụ ọrụ, ma ha na-eje ozi di n'ụlọ, ihe ọbụla ha na-eme, obi ọcha



Mana, ha atọ dịcha ike ọrụ ka ndị mụtara ha.
Ha niile nwekwara obi sara sara n'etiti onwe ha.
O nweghị onye na-ekwujo nwanne ya

ka ha ji eme ya. Ha hụrụ onwe ha n'anya ma marakwa onwe ha. Ha bụkwa ụmụaka ghọtara onwe ha. Ha na-eji anya akpa nkata. Ha na-ejikwa anya eke ihe dị n'ofe. Ụmụaka atọ ahụ abụghị ndị mkpọtụ. Ha bụ ụdịrị ụmụaka onye ọbụla chọrọ ka o nwee. Maka na onye nwere ha nwere mmadụ.

Ụmụ atọ ahụ Udeigwe na Ahụnne mụtara sokwa ha arụ ọrụugbo. O nweghị ụdịrị ọrụugbo ha na-arụ, ụmụaka atọ ahụ amaghị anya ya. Ha kakwuazị ndị mụtara ha were ṇa-arụ ọrụ. Ọrụ ọbụla ha na-arụ, ha ji obi ọcha arụ ya. Otụtụ mgbe ka ọ na-abụ ha nọdụ n'ọrụ, ha ewere ịkọ ọnụ na ịma njakịrị were na-eri ọrụ ka a na-eri ji. Ịnọdụ ebe ha na-akọ onwe ha ọnụ, ị chịgbuo onwe gị n'ochị. Ọnụ ọbụla ha na-akọ bụ onwe, ha ka

ha na-akọ ya.

Onye ha kacha akọ ọnụ bụ Ekezie. Ha na-akọ Ekezie ọnụ, Ekezie a na-achị ọchị. Ọ naghịkwa agbachi ha nkịtị. Ọ na-abụ ha na-akọ ya ọnụ, ọ na-akọkwa ha. Mgbe ọbụla ha ana-akọ ya ọnụ na ọ jọrọ njọ ka nna ha. Na njọ ya na-eyi ha egwu. Anayọ na Chibụchi na-akọ Ekezie ọnụ, ha na ọchị ana-eme. Ekezie n'onwe ya ha na-akọ ọnụ, a na-anwụkwu n'ọchị.

Ekezie anaghịkwa agbachi ha nkịtị n'ọnụ ahụ ha na-akọ ya. Ha na-akọ ya, ọ na-akọgwara ha. Maka na ọnụ anaghị aga be ọnụ, gbara aka. Ekezie na-asị ha, "Eee, ama m na m jọrọ njọ. Kama marakwanụ na ọ bụ ndị jọrọ njọ na-alụta ndị mara mma. Anayọ, ị mara mma. Nwunye gị ga-ajọ njọ. Chibụchi, ị mara mma. Di ị ga-alụta ga-ajọ njọ ka nna anyi. O

nwekwara ike nna anyị amanahụ di gị na mma. Nwunye m ga-abụ ugo. Ọ ga-abụ asampete nwanyị. Ọ ga-ama mma ka nne anyị. Mba, nwunye m ga-amanahụ nne anyị na mma. Ka anyị lewenụ anya. Unu ga-ahụ ihe a m na-ekwu".

Ekezie na-ekwu ihe ndị a, Anayọ na Chibụchi a na-anwụ n'ọchị. Ha sịkwa Ekezie na ọfọ ya agaghị ere. Anayọ sịrị na nwunye ya ga-ama mma ma bụrụkwa ezigbo mmadụ ka nne ha. Chibụchi were sị ha na nwoke ọbụla ga-alụ ya ga-ama mma ka nne ha, ma na-emekwa ezigbo omume ka nna ha.

# ISI NKE ISII

Igume bụ obodo mmiri jupụtara na ya. Mmiri gbara ha okirikiri. Ha bụ obodo dịdebere mmiri. Ma ọmambara, ma ezu, ma mmiri ngene, o nweghị nke ha enweghị. N'ihi nke a, ha bụkwa ndị e ji azụ ndụ wee mara. Ọtụtụ ndị Igume bụ ọrụ ọkụazụ ka e ji wee mara ha. Ha bụkwa ndị maara egwu mmiri. Ma nwata, ma okenye n'obodo Igume maara mmiri, mmiri mara ha.

Azụ ndụ na-adị ọnụala n'Igume. Ọtụtụ obodo dị iche iche na-aga n'obodo Igume azụta azụ. I ruo ebe ahụ, o nweghị ụdịrị azụ i gaghị ahụ. Azụ, nke ọbụla ị hụru,

ndụ eju ya ahụ. Ọ na-anụghari ma na-aghaghari. Ụdiri onye chọrọ, o zụta. Ndị Igume sikwa n'ọkụazụ a were na-enweta ego. Ma okenye, ma nwata, jikwa ọkụazụ were na-enyere onwe ha aka. Ọtụtụ ụmụaka ndị Igume bụ ọkụazụ ka ha ji azụ onwe ha n'akwụkwọ. Ọtụtụ ndị okenye n'Igume bụkwa ọrụ ọkụazụ ka ha ji azụ ụmụaka ha.

Anayọ na Ekezie sokwa n'ụmụaka ndị Igume ọkụazụ doro anya nke ọma. Ha jikwa ọkụazụ were na-enyere onwe ha na ezinaụlọ ha, aka. Ọ bụ site n'ọkụazụ ahụ ka ha si agụ akwụkwọ ha. N'ụlọ ha, azụ anaghị akọ ya. Nne ha anaghị azụta azụ n'ahịa maka ihe oriri ha. Azụ na-adị na be ha na gbanyụụ. Ihe ọbụla a na-eri na be

ha, azụ ga-ejurịrị na ya.

Ọ bụkwa site n'ego Anayọ na Ekezie na-enweta n'azụ ha na-akụta, ka ha ji ahụ maka akwụkwọ ha na Chibụchi na-agụ. Ha na-eso n'ụmụakwụkwọ ndị na-ebucha ụzọ akwụ ụgwọ akwụkwọ. Ha anaghị enye nne ha na nna ha nsogbu n'akwụkwọ ha na-agụ. Ha na-agbasi mbọ ike n'inyere nne ha na nna ha, aka. Ha achọghị ka nne ha na nna ha nwụọ n'elu ahụhụ.

Ndị mmadụ na-esi n'obodo dị iche iche na-abịa n'Igume azụrụ azụ. Irepụ azụ ndụ n'Igume anaghị ahịa ahụ. Maka na ozigbo onye ọbụla gburu azụ na-esi na mmiri apụta, a zụrụla azụ ahụ o gburu. Ịzụta azụ n'Igume bụ ihe magburu

onwe ya na mma. Maka na azụ ndụ na-adị ezigbo ọnụala. Ọ bụghị otu e si ere azụ ebe ndị ọzọ ka e si ere azụ ebe ahụ. N'Igume, o nweghị ụdịrị azụ ndụ ị gaghị ahụ. Ị chọọ nnukwu azụ, i nweta. Ị chọkwaanụ kịrịkịrị azụ, i nweta. A naghị achọ azụ dị mma achọ n'Igume.

## ISI NKE ASAA

Ebe ndị Igume na-egbute nnukwu azụ bụ na mmiri ọmambara. O bughikwa naanị nnukwu azụ! Obere azụ na-anọkwa na ya bụ mmiri ọmambara. Mana onye ọkụazụ ọbụla chọrọ ijide nnukwu azụ na-etinye isi na n'ọmambara. Maka na ọ bụ nnukwu mmiri na-ebute nnukwu azụ.

A naghị agba aka aga ọkụazụ n'ọmambara. Ọ bụ ụgbọmmiri ka e ji aga ọkụazụ n'ọmambara. Ndị Igume na-eji ụgbọ epeepe were na-achụ nta azụ ndụ na mmiri ọmambara ahụ dị na be ha. Ọtụtụ ndị Igume nwere ụgbọ epeepe. Ndị



A naghị agba aka aga ọkụazụ n'ọmambara. Ọ bụ ụgbọmmiri ka e ji aga ọkụazụ n'ọmambara. Ndị igume na-eji ụgbọepeepe were na-achụ nta azụ ndụ na mmiri ọmambara ahụ dị na be ha.

na-enweghị ụgbọ epeepe nke ha, na-ebukwa nke ndị ọzọ. Mana tupu i buru ụgbọ epeepe mmadụ gawa okụazụ, a ga-enweriri ego ole ị ga-akwụ onye nwe ya bụ ụgbọ epeepe.

Anayọ na Ekezie enweghị ụgbọ epeepe nke ha. Mana mgbe ọbụla ha chọrọ ịga ọkụazụ n'etiti omambara, ha na-eji nke mmadụ. Ha kwụọ onye nwe ya ụgwọ, ọ hapụrụ ha ụgbọ epeepe ya. Mmiri anaghị atụ Anayọ na Ekezie, egwu. O nweghịkwa onye ọbụla bụ onye Igume mmiri na-atụ egwu. A mụrụ ha n'obodo mmiri. Ha tokwudokwa mmiri. Onye ọbụla bụ onye Igume, ma nwata, ma okenye, maara ka e si egwu mmiri. Anayọ na Ekezie bụ azụ n'onwe ha. Ị hu ebe ha na-egwu

mmiri ị ga-eche ma ọ bụ n'ime mmiri ka a mụrụ ha.

Mgbe ọbụla Anayọ na Ekezie na-aga igbu azụ na mmiri, ọ bụ Anayọ na-anọ n'isi ụgbọ. Ekezie na-anọ n'ọdụdụ ụgbọ. Mana ha abụọ na-ejicha epeepe ha were na-akpa ụgbọ ha. Anayọ na Ekezie nwere ihe ha ji akụ ọkụazụ n'etiti ọmambara. Ndị Igbo sị na nnukwu azụ na-akpata nnukwu nkụ. Obere azụ na-akpata obere nkụ. Ọ bụghị ihe e ji akụ ọkụazụ n'obere mmiri ka e ji akụ ọkụazụ na nnukwu mmiri. Ihe Anayọ na Ekezie ji eje ọkụazụ na mmiri ọmambara bụ iboro.

Iboro bụ eriri owu a kpakọchara ọnụ na oze ka e ji emebe ya. Ọ

bụrụ na e fesaa ya n'elu mmiri ebe e chere na azụ nọcha, oze ahụ dịcha na ya ebutuzie ya n'ime mmiri ka o jidezia azụ. Ọ bụrụ na onye fesara ya segolita ya elu, ọ na-ejide ọtụtụ azụ. Azụ ọbụla iboro jidere, ha na-etinye ya n'ụgbọmmiri bu ha. Ike anaghị agwụ iboro n'ijide azụ. Kama ọ bụ onye na-efesa ya ka ike ga-agwụ.

## ISI NKE ASATỌ

Mgbe ọbụla Anayọ na Ekezie gara igbu azụ, ha anaghị agbara aka alọta. Ha na-egbute ọtụtụ azụ. Ha ree ụfọdụ ere, ha ewelaa ụfọdụ n'ụlọ ha.

Onye na-efe iboro ma ha gaa ọkụazụ n'ọmambara bụ Anayọ. Iboro bụ maka onye aka siri ike. Onye aka esighị ike fee iboro, ọ dalaa na mmiri. Ọ dalaghị na mmiri, ụgbọ ha nwere ike kpuo. Anayọ abụrụla aka ochie n'ife iboro. Ọ maara otu e si efe ya, ọ makwaara ebe a ga-efe ya na kwa



Onye na-efe iboro ma ha gaa ọkụazụ n'ọmambara bụ Anayọ. Iboro bụ
naka onye aka siri ike. Onye aka esighị ike fee iboro, ọ dalaa na mmiri

mgbe a ga-efe ya. Ọ bụ naanị onye maara anya iboro na-eji ya egbu azụ. Onye amaghị anya iboro na-ebo ihu n'elu ma o jechaa ọkụazụ, lọtawa. Mana, onye maara anya iboro na-akpa ụbọ ma o si ọkụazụ na-alọta.

Kwa mgbe, ọ na-abụ Anayọ na Ekezie jechaa ọkụazụ n'udo, ha na-alọtakwa n'ụdọ. Ụkwụ ọbụla anaghị akpọ ha. Ha na-eji ọṅụ aga ma werekwa ọṅụ lọta. Ọkpa ha jiri gaa ka ha ji alọta. Ma n'ojije, ma n'ọlịla, ha anaghị enwe mwute ọbụla. Ka ha siri jee ka ha sikwa ala. Ha gawa ọkụazụ, ndị mụtara ha anaghị eche echiche ọbụla. Maka na ha maara na ụmụ ha maara ihe ekwe na-akụ n'ịkụ ọkụazụ. Na ha maara maka mmiri nke ọma.

Anayọ na Ekezie nọdụkwụanụ n'ọmambara maọbụ n'oshimiri na-akụ ọkụazụ, obi anaghị eme ha kpum. Ọ bụghịkwa naanị ha. Otu ahụ ka o siri dị n'ebe ndị Igume niile nọ. Ha weere mmiri otu ha siri were ala anyị zodoro ọkpa. Ha anaghị atụ mmiri ụjọ. Ha anaghịkwa arọta na nrọ na mmiri ga-eme ha ihe ọjọọ.

Ha weere mmiri dị ka ebe obibi ha nke abụọ. Maka na o nweghị onye Igume anaghị anọ na mmiri kwa mgbe ọbụla. Mana o nwee ka mmiri si were kpaa ike na-ekwesighị ekwesị, ha na-ahụta ya na ọ bụ iwe ka mmiri na-ewe. Na ọ bụrụ na e tie ya aka n'obi, ọ dajụọ. Ndị Igume kwenyesịkwara ike na

ike dị egwu dị na mmiri. N'ihi nke a, ha anaghị achọ ka ha mejọọ mmiri ka mmiri ghara ịjụ ha maọbụ menye ha egwu. Ha anaghịkwa achọ ihe ọbụla ga-eweta ọgbatauhie n'etiti ha na mmiri.

# ISI NKE ITOOLU

Otu ụbọchị, nnukwu ọdachi dakwasara Anayọ na Ekezie na mmiri ọmambara. N'ụbọchị ahụ, ka Anayọ na Ekezie ji ụgbọ epeepe ha ji ego ha were nata onye nwe ya were na-egbu azụ na mmiri, ha amaghị na ogwu ga-ama ha n'ọkpa n'ije ha. Ihe ha hụrụ, ha amaghị na ha ga-ahụ ya. Mana, ụwa bụ chi bọọ, a nụ ọzọ. Onye teta ụra, o kpee ekpere, ihe ọbụla ọ hụziri n'ụbọchi o were. Onye aṅụla nga ma oyibo alaghị. Maka na a naghị akarụ ụbọchị ma ọ bụrụ na ọrụ agwụghị.

Ka Anayọ na Ekezie nọ na-egbu azụ n'etiti ọmambara, nnukwu nsogbu dakwasara ha. Gịnị bụ nsogbu ahụ? Oge ha na-achụ nta azụ n'etiti mmiri ebe ahụ ha nọ ka nnukwu ikuku malitere kuwe. Ikuku ahụ adịghị obere chaachaa. Ọ na-eku, ọ na-ebugharị ụgbọ ha. Anayọ were gwa nwanne ya nwoke bụ Ekezie ka ọ gharakwa ịtụ ụjọ ọbụla n'ihi na ikuku ahụ ga-emecha were dajụọ. Ọ gwakwara ya ka ọ nọsikwaa ike n'ime ụgbọ ahụ ha nọ n'ihi na ihe dị ọkụ ga-emecha jụọ oyi. Ekezie kwekwara nwanne ya nwoke n'ihe ọ gwara ya.

Mana, ka ikuku ahụ kukatara were bugharịkata ụgbọmmiri ha, ihe ọzọ sochiri ya bụ ikuku bụ

ebilimmiri. N'ezie, nsogbu adịla! Ihe dị njọ rịa elu, ọnwụ adịzịa nso. Ozigbo ebilimmiri ahụ malitere tụwa, ụjọ were zuo Anayọ na Ekezie ahụ. Anayọ were kpọọ Ekezie ozigbo were sị ya, "Ekezie, nwanne m, obi amapụkwala gị. Nọsikwaa ike n'ụgbọmmiri anyị. O nweghị ihe ga-eme anyị. Biko nwanne m, ekwekwala ka ekwensu merie anyị. Chukwu anyị karịrị ike ekwensu".

Tupu Anayọ na-agwacha Ekezie ihe ahụ, ụgbọmmiri ha ekpuola. Ma Anayọ ma Ekezie, ha abụọ dakpuo n'ime mmiri. Egwu adịla! Ihe karịrị Anayọ na Ekezie abịakwutela ha! Ebilimmiri ahụ kpuru ụgbọmmiri ha dị ike nnukwu. Ọ no na-akpa ike

otu o siri masị ya n'ọmambara ahụ n'ụbọchị ahụ. O nweghịkwa onye na-eji ya. Ọ rịgochaa n'elu, o sikwa n'elu ebe ahụ wụtuo n'ala. N'ezie, ekwensu bịara ọgụ. Anayọ na Ekezie atọkịrịla! Ndụ ha na ọnwụ ha dịzi Chukwu n'aka. Maka na ihe bịakwutere ha karịrị ha. Chukwu Ọ ga-ekwe ka Udeigwe na Ahụnne gbara aka n'ụwa ha pụtara? Ihe ahụ na-achọ ime, mee, Udeigwe na Ahụnne, ha ga-anọkwa ndụ were na-ahụ ya?



Tupu Anayọ na-agwacha Ekezie ihe ahụ, ụgbọmmiri ha ekpuola. Ma Anayọ ma Ekezie, ha abụọ dakpuo n'ime mmiri.

# ISI NKE IRI

N'ezie, Anayọ na Ekezie maara egwu mmiri nke ọma. Mana, ebe ahụ ebilimmiri kpuru ụgbọ ha dị omimi nnukwu. Ọ bụ ebe ahụ kacha ọmambara ahụ niile were dị omimi. Ihe bịakwutere ha karịrị ha. Ịma egwu mmiri erughịzi na nke a. N'ezie, onye ekwela ka ihe karịrị ya bịakwute ya. Ihe karịrị ụmụaka abụọ ahụ bịakwutere ha n'ezie.

Ozigbo ha abụọ dakpuchara n'ime mmiri oshimiri ahụ, Anayọ si n'ime mmiri ahụ ọ dakpuru wee selite isi ya elu. Ozigbo o welitere isi ya elu, o were tie na mkpu, "Ekezie!, Ekezie!!, Kedụ gị? Kedụ ebe i no? Gwuru mmiri bia ebe a

m nọ ka m jide gị aka''. Kedụkwanụ Ekezie ọ na-agwa okwu? O nweghịzi onye hụrụ Ekezie. Ekezie nọzi n'ime ala mmiri. Mmiri ahụ dị ogbu nnukwu. Ụdịrị ogbu mmiri ahụ dị bụ nke karịrị Ekezie. Anayọ na Ekezie amaghịkwa na ebe ahụ dị omimi karịchaa ebe niile n'ọmambara ahụ.

N'ezie, Ekezie bụ dike. O gosikwara na ọ bụ odogwu. Ọ bụ eziokwu na Ekezie ka bụ nwatakịrị, mana o gosikwara ọmambara ahụ na onye ọbụla ọnwụ na-egbu na-azọ isi onwe ya. Ekezie siri ezigbo ọnwụ n'ịzọpụta onwe ya n'olulu ọnwụ ahụ ọ dabanyere na ya. O jisikwa ike were sikwa n'ime ala mmiri ahụ ọ dakpuru were segolite n'elu mmiri. Ozigbo o selitere isi ya, o were olu ike were si nwanne

ya nwoke, "Anayọ, nwanne m nwoke, biko zọpụta m. Mmiri eriela m. Nwanne m, biko ahapụkwala m. Mana, ọ bụrụ na i mee ike gị ụzọ agaghị, ị laruo ụlọ, i keleere m nne na nna anyị, na nwanne anyị bụ Chibụchi. Ọ bụrụ na isi m atọ n'ọmambara, werekwa ndụ lakwuga ndị be anyị".

Anayọ bere nnukwu akwa ka ọ nụchara ihe ahụ Ekezie gwara ya. Nke a mere ya ka ọ ṅụọ iyi na ọ ga-azọpụtarịrị nwanne ya nwoke. Ozigbo Ekezie na-agwacha nwanne ya okwu ahụ, ebilimmiri ahụ were tụlie ya elu, ma tụdakwa ya n'ala mmiri ahụ ọzọ. Ozigbo ebilimmiri ahụ na-atụkpu Ekezie n'ime mmiri, Anayọ sorokwa nwanne ya nwoke dakpuokwa n'ime mmiri ahụ ka ọ mara ma ọ ga-ahụ ya.

Anayọ chọgharịchaa Ekezie, ọ hụghị ya. O wee werekwa ọsọ gwugolitekwa n'elu mmiri ka ọ mara ma ọ ga-ahụ nwanne ya. Ozigbo o welitere isi ya, lekwa Ekezie ka ọ na-esegharịkwa n'elu mmiri. Ekezie jisikwa ike gwugolitekwa n'elu mmiri ahụ nke ugboro abụọ. Anayọ wee gwuru mmiri sokwuru ya n'ebe ahụ tupu o miekwa n'ime n'ala mmiri ahụ ọzọ. Ụdịrị mmiri Anayọ gwuru ụbọchị ahụ, o nwebeghị onye gwuru ya.

# ISI NKE IRINAOTU

Ozigbo Anayọ gwururu mmiri n'ebe ahụ nwanne ya nwoke nọ, o wee gụgba ya. Ekezie makụdosie ya ike. Anayọ were sị ya, "Ekezie, o nweghị ihe ga-eme gị. Jidesie m aka ike. Chukwu agaghị ekwe ka ihe mee anyị. Ekezie, nwanne m, anyị ga-apụtarịrị na nsogbu a. Onye kwe, chi ya ekwe". Anayọ were kuru nwanne ya n'ahụ wee malitezie nke bụ igwu mmiri. Ihe a mụrụ amụ karịrị ihe a gwọrọ agwọ! N'ezie, ngwere rịrị elu ọjị abụghịzi obere ngwere. Maka na a naghị adị iri were na-eme okorobịa.

Anayọ gosipụtara n'ezie na ụjọ

anaghị atụ enwe n'elu n'ihi na ọ bụ n'elu ka nne ya mụrụ ya. Anayọ ji ma ọkpa, ma ụkwụ, ma azụ, were gwuo mmiri n'ụbọchị ahụ. Ya bụ enwe gosiri na ọ maara ọhịa. Ọhịa gosikwa na ọ maara enwe. Ka Anayọ ku nwanne ya n'ahụ were gwukata mmiri ka o gwupụta n'elu ala, ike gwụ ya. Mmakụdo ahụ nwanne ya makụdoro ya sokwa were gwụ ya ike ọsọọsọ. Gịnị ka ọ ga-emezi ugbua? Ọ bụrụ na o nweghị ihe ọbụla o mere ngwa ngwa, mmiri erie ya na nwanne ya.

Anayọ malitere were tiwe mkpu enyemaka. O ji oke olu were na-eti mkpu ka a bịa zọpụta ya

na nwanne ya. Na ọ bụ ọnwụ ka ha abụọ na-achọ ịnwụ. Na ọ bụrụ na e meghị ngwa ngwa, a gụnyekwuo ha na ndị ọmambara ririla. Tupu Anayọ na-eticha mkpu ahụ, ndị dimkpa abụọ nọ n'ikpere mmiri ahụ hụrụ ihe Anayọ na nwanne ya na-agabiga weere ajụ ọnwụ wee makpuo na mmiri ọmambara ahụ. Ha gwuru mmiri wee chọrọ Anayọ gawa.

Ozigbo ndị dimkpa ahụ chọọrọ Anayọ na Ekezie gawa, mmadụ abụọ ndị ọzọ nọkwa n'ikpere mmiri ahụ, buru ugbommiri ha wee sochie dimkpa abụọ ahụ azụ. Mgbe nke a na-emezi, ebilimmiri ahụ akwụsịla. Mana e jibeghị ndụ Anayọ na Ekezie n'aka. Oge ndi dimkpa abuo

ahụ rutere Anayọ nso, ike agwụla Anayọ ma gwụkwuo Ekezie. Ha gara ngwa ngwa ga napụtagodu Ekezie n'aka Anayọ. Ozigbo ha na-anapụtacha Ekezie n'aka Anayọ, lekwa ụgbọmmiri ahụ bịara ịzọpụta ha. Dimkpa abụọ ahụ wee kuru Ekezie kuba n'ime ụgbọmmiri ahụ. Anayọ n'onwe ya rịbakwuo na ya bụ ụgbọmmiri. Dimkpa abụọ ahụ rịkpukwuo n'ụgbọmmiri ahụ. Ndị na-akpa ụgbọmmiri ahụ were tụgharịa ma kpara ụgbọmmiri ahụ gawazie n'ikperemmiri.

## ISI NKE IRINAABỤỌ

Ekezie na-ekuzi ume ọnwụ ugbua n'ime ụgbọmmiri ahụ e nyibere ya. Ọ nọzi ebe ahụ were chalie anya ya abụọ elu. Ike agwụla! Ọ ṅụjuola mmiri afọ. Afọ ya hazi ka itemmiri abụọ. Aka ya abụọ anaghịzi emegharị emegharị. Ọkpa ya abụọ na-atọgbọzi otu ọbụla e siri dowe ha. A kpọọ ya oku o were ime akpịrị were na-aza.

Nnukwu ụjọ jidere nwanne ya bụ Anayọ. Ọ malitere bewe akwa. Mana ụmụnwoke ndị ahụ nyeere aka were zọpụta ya na nwanne ya bụ Ekezie gwara ya ka o mechie ọnụ ma kwụsị ibe akwa n'ihi na o nweghị

ihe ọbụla ga-eme Ekezie. Anayọ na-ele nwanne ya anya n'ihu n'ebe ahụ ọ tọgbọ n'ime ụgbọmmiri ahụ, obi a na-amapụ ya. Ekpere ya niile n'ime ụgbọmmiri ahụ bụ, "Chukwu, biko ekwekwala ka ihe a na-achọ ime, mee"

Ozigbo ụgbọmmiri ahụ bururu ha n'ikperemmiri ahụ, ndị na-akpa ụgbọmmiri ahụ were kwụsị ụgbọmmiri ha ahụ. Ụmụnwoke anọ ahụ wee were ọsọọsọ kuru Ekezie gawa n'elu ala. Anayọ sochie ha azụ. Ozigbo ozigbo ha kuuru Ekezie wee rute n'ala kpọrọ nkụ, ha wee nyibe ya n'ala nkịtị. Ha wee were nwayọọ wee zọsịwa Ekezie mmiri niile ahụ juru ya n'afọ. Ka ha na-eme nke a, mmiri were si ma n'onu, ma n'imi Ekezie



Ozigbo ozigbo ha kuuru Ekezie wee rute n'ala kpọrọ nkụ, ha wee nyibe ya n'ala nkịtị.

were na-apụsịsị. Ozigbo ha zọsịsịrị mmiri ahụ niile dọkọjuru n'afọ Ekezie, Ekezie were nwayọọ nwayọọ nwetawakwa onwe ya.

N'ezie, ndị ọbụla bi n'obodo maara ka ha si ebi. Ọ bụ ya kpatara e ji asị na ọ bụ nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Maka na ọ bụ naanị onye maara ọnụ ewu maara ụ̀fụ̀ ya. Ozigbo Ekezie nwetachara onwe ya, o were si n'ala ebe ahụ o dina were kulie. Ọnụ were jupụta ebe niile. Onye ọbụla nọ ebe ahụ were na-amali elu, na-ekele Chukwu maka ọrụ ọma ya n'ebe Ekezie na nwanne ya bụ Anayọ nọ.

Ozigbo Anayọ na Ekezie kelechara ụmụnwoke anọ ahụ maka enyemaka ha n'isi Ekezie, Anayọ

anyammiri eju ha anya. Mana ka ha kọchara ihe mere ha, nna ha, nne ha na nwanne ha nwanyị bụ Chibụchi gburu ikpere ha n'ala ozigbo were kelewe Chukwu maka ọrụ ebube Ya. N'ezie, onye e nweghị ihe o bu, ọ nweghị ihe na-anyị ya. Maka na ehi enweghị ọdụdụ, ọ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji.

onye maọbụ ndị ọmambara na-achọ iri, onye ọbula na-ejikọ aka ọnụ iji wre zọpụta onye ahụ maọbụ ndị ahụ. Maka na o nweghị onye ma onye ọ ga-abụ echi. O nweghịkwa onye ma onye o ribidoro, ma onye ahụ ọ bụ onye nke ya.

Mgbe Anayọ na Ekezie larutere na be ha, akụkọ banyere ihe mere ha ekweghị ha akọ. Ha kọọ kọọ,

# OKWU MMECHI

Nwanne hụrụ nwanne ya n'anya anaghị achọ ka ihe mee nwanne ya. N'ihi obi nwanne, ọ na-asị kama ihe ga-eme nwanne ya, ihe ahụ mee ya.

Onye ya na ezigbo nwanne ya yị n'ije anaghị atụ ụjọ. Obi anaghị eme ya kpum. Maka na ọ maara na ọ gbajuo dọrọ, ọ kpọkuo nwanne ya. Ezigbo nwanne na-eburu onwe ya tụnye n'ihe ọbụla na-achọ iwere isi nwanne ya.

Mana, matakwa na ezigbo nwanne anaghị achọ ka nwanne ya soro ya nwee nsogbu o nwere. Maka na nkwenye ya bụ na kama ọ ga-etinye nwanne ya na nsogbu, kama

ka ọ taa ahụhụ ahụ naanị ya.

Onye hụkwara onye nọ na nsogbu nyere onye ahụ aka. Maka na o nwere ike ọ bụrụ enyemaka onye ahụ ga-egbo ya bụ ọgụ.

Maka na ọ bụ enyemaka ndị mmadụ mere Anayọ ejighị gbara aka nwanne nwoke. Ọ bụkwa ya mere Ekezie ji wee bụrụ onye nọ ndụ taa. Ka Chukwu dube anyị n'ihi na ọ bụ chi m na-edu m.

**Chinedum E. Ofomata**